ÉKWÉ JỌNAL NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA
*Volume 4 No 2,* September*, 2017*

# AGỤMAGỤ ỌNỤ ỌDỊNAALA DỊKA AKỌRỌNGWA IDUUAZỊ: ILEBA ANYA N'AGỤMAGỤ NDỊ A HỌỌRỌ

**Ifeka, O. R. PhD**
**Department of Igbo Language**
**Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University, Igbariam Campus**

## Ụmịedemede

Tupu ọbịbịa ndị Bekee, ndị Igbo nwere agụmagụ dara ụda ha na-agụrụ onwe ha, nwee oge ha ji agụ nke ọbụla n'ime ha. Ihe ndị Bekee mere bụ iwebatara ndị Igbo usoro ọgụgụ na odide, nke nyeere ha aka ịmalite agụmagụ ederede. N'ezie, ọ bụ n'agụmmagụ ọnụ ọdịnaala ka ndị odeiduuazị siri kụrụ ike wee detuo iduuazị n'oge a. N'edemede a, a ga-ewere agụmagụ ọnụ ọdịnaala dịka ihe gụnyere akụkọ ifo, akụkọ okike, akụkọ ndịichie, abụ ọdịnaala, mbe na egwu. Ihe ndị ọzọ so n'agụmagụ ọnụ ọdịnaala bụ akpaalaokwu, ụkabụilu, ilu, agwụgwa, asịniilu, soromchịa. A ga-atụle ihe ọtụtụ ndị ọkammụta kwuru banyere isiokwu a ma nwalee ha n'otu n'otu. A ga-ahọrọ agụmagụ ederede ụfọdụ dị na mgbe ochie were mere ntụzi aka n'ụdị ọbụla iji zipụta na agụmagụ ọnụ ọdịnaala bụ akọrọngwa agụmagụ ugbua ma ọ bụ iduuazị. Edemede a ga-abara ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ nọ na ngalaba amụmamụ asụsụ na omenala Igbo uru. A na-atụ alo kandị odee agụmagụ Igbo na-agbadokwasị ụkwụ n'agụmagụ ọnụ ọdịnaala were ede iduuazị n'ozuzu oke iji chekwaa ọdịnaala Igbo ka o wee site n'aka fere n'aka wee na-agbasa.

## Mmalite

Agụmagụ bụ otu ngalaba ọmụmụ Igbo nke ọtụtụ ndị mmadụ na-agba mbọ itinye aka nka ha n'ide na ibipụta akwụkwọ. ọtụtụ ndị odee na-akụrụ agụmagụ ọnụ ọdịnaala tinye

n'agụmagụ ekereuche ha na-ede n'ụdị akụkọ arọrọarọ, ejije na abụ. N'edemede a, anyị ga-ewere *Eleḷa na Ihe O Mere* na *Ala Bingo* ndị D. N. Achara dere mere ọmụmaatụ n'igosipụta ụzọ dị iche iche agụmagụ ọnụ ọdịnaala siri nye aka n'ịmalite iduuazị. A hụọrọ akwụkwọ ndị a maka ọmụmaatụ n'ihi na a chọba ndị odee Igbo ọrụ ha kacha hiwe isi n'agụmagụ ọdịnaala, D. N. Achara ga-abụ onye nke mbụ. *Omenụkọ* dịka akwụkwọ agụmagụ mbụ Igbo tuuru ugo na mbipụta mana Pita Nwana gbakwasịrị ụkwụ n'akọmndụ Igwegbe Odum were zipụta akwụkwọ ya , D. N. Achara kụụrụ ihe kpọmkwem n'akụkọ ifo were dee nke ya.

**Kedụ ka agụmagụ ọnụ ọdịnaala siri bụrụ ide ji ndị odee iduuazị?**

ọtụtụ ndị ọkammụta ekwuola ụzọ dị iche iche agụmagụ ọnụ ọdịnaala siri nyere ndị odee iduuazị aka n'oge a. Nwadike (1981) na-asị na agụmagụ ọdịnaala bụ mgbakwasa ụkwụ nke agụmagụ ugbua. ọ gara n'ihu na-akọwa na agụmagụ ọdịnaala dịka ogwe osisi, ebe agụmagụ ugbua bụ alaka ya. N'otu aka ahụ, ọ kọwara na ọtụtụ ndị odee anaghị enwe ike ede ihe ha chọrọ ide ma e wezụga agụmagụ ọdịnaala na-agbazinye ha ihe ha na-ede.

Finnegan (1970) tụlekọrịtara agụmagụ ọdịnaala na nke ugbua wee na-ekwu na uru agụmagụ ọdịnaala bara enweghị nkọwa. ọ kọwara n'aka ọrụ ya dị nnukwu mkpa n'iji ikpokọlata okwu niile odee ji ede abụ n'ihi na ọ bụ etu e si bụọ abụ ka onye odee si edepụta ya na nkebiabụ na nkebiabụ. Maduka (1980) na-ede na agụmagụ ugbua gbagidere ụkwụ n'agụmagụ ọdịnaala. ọ gara n'ihu na-akọwa na agụmagụ ọdịnaala na-ewepụtakarị akparamagwa onye mee ihe ọma, ọ nara ụgwọ ihe ọma ma onye mee ihe ọjọọ, ọ nara ụgwọ ihe ọjọọ. Otu aka ahụkwa ka ụdị akparamaga ndị ahụ na-apụtakwa ihe n'agụmagụ ederede ugbua. ọgbalu (1981) na-akọwa na"tupu ndị ọcha abịa na a na-enyi ụmụaka mmụta n'ala Igbo site n'ịkọrọ ha akụkọ ifo. A na-akụziri ha ọrụ diịrị ha dịka irubere

nne na nna na ndị okenye isi. ọ bụ site n'ụdị akụkọ ndị a ka ụfọdụ ndị odee si mụta ụfọdụ akụkọ wee detuo ha n'ime akwụkwọ dịka akwụkwọ agụmagụ".

Dịka ndị a niile siri kọwaa, ọtụtụ ihe ha kwuru ma ọ bụ na-ekwu gbadoro ụkwụ n'isiokwu ndị a: na agụmagụ ọdịnaala

- dị mkpa na ndụ ndị Igbo, ọkachasị na ndụ ndị odee ugbua,
- dị mkpa n'ebe agụmagụ ugbua dị tụmadị n'abụ n'ihi na ọ bụ ihe a gụrụ n'ọnụ ka a na-ede n'akụkọ,
- bụ ide ji agụmagụ Igbo niile n'ihi na ọtụtụ agụmagụ Igbo bụ site n'agụmagụ ọdịnaala ka e si wee dee ha,
- ka e si akụziri ụmụaka ọrụ dịịrị ha dịka irube isi nye nne na nna ha na ndị okenye.

Dịka anyị chọpụtara na e ji akụkọ ọdịnaala akọwapụta ihe dị n'ime akwụkwọ agụmagụ nke na-enye aka ewepụta ihe mmụta sitere n'ime agụmagụ ahụ.Ihe kpatara e ji akpọ ha agụmagụ ọnụ ọdịnaala ma ọ bụ agụmagụ ọdịnaala bụ maka e deghị ha ede oge ndị gboo ahụ chepụtara ha n'ala anyị. N'oge ugbua, a na-edepụtazị agụmagụ ọdịnaala ndị mbụ edepụta. ọmụmaatụ *Mbedịọgụ* nke F. C. Ogbalu dere.

**Nnabata akụkọ ifo n'edemede agụmagụ Iduuazị**

Akụkọ ifo bụ akụkọ gbasara ihe mere n'ala ndị mmadụ, n'ala ụmụ mmụọ, n'ala anụmanụ nakwa n'ala dị n'agbata mmadụ, mmụọ na anụmanụ. ọ bụ akụkọ ndị gboo chepụtara wee na-akụziri ụmụ ha ihe. ọ bụ ọdịnaala nke bụ nwa tote o tokwuru ma bụrụkwa enyo ndị Igbo ji egosi ụmụ ụmụ ha ntọala gbasara ndụ ha. O nweghị onye a ga-asị chepụtara ya n'ihi na e debughị ya n'akwụkwọ mgbe e chepụtara ya. ọ na-ezipụta ndụ ụmụ anụmanụ, ụmụ mmadụ, ihe ndị na-adịghị ndụ na ndị mmụọ.

ọ bụ n'akụkọ ifo ndị a ndị o nweghị onye chepụtara ha ma ọ bụ kpokọbara ha ka ndị odee ugbua na-agbado ụkwụ wee

na-ede agụmagụ ha. Akụkọ ifo niile a maara ma ọ bụ a nụrụla bụ agụmagụ ọnụ ọdịnaala. Akụkọ ndị e dere n'akwụkwọ dịka na *Mbedịọgụ* nke F. C. Ogbalu dere, *ọkamgba* nke J. O. Iroaganachi dere, *Nza na Obu* nke F. C. Ogbalu dere na ndị ọzọ bụcha akụkọ ifo. ọmụmaatụ, na *Nza na Obu* a kọrọ otu akụkọ ihe kpatara na ụmụnwaanyị anaghị agbazị afụọnụ. A sị na otu nwaanyị aha ya bụ Nkemdịiche zuru ọla otu eze n'obodo ahụ zoo ya n'afụọnụ ya. E mesịa chọpụta na ọla eze dị n'afụọnụ nwaanyị ahụ, eze wee ma iwu ka a kpụchapụsịa ụmụnwaanyị niile afụọnụ ha were nsị egbe tee n'agba ha ka ọ ghara iputekwa ọzọ. Kamgbe ahụ,ụmụnwaanyị anaghị agbazị afụọnụ. ụdị akụkọ a bụ agụmagụ ọnụ ọdịnaala e deturu n'akwụkwọ.

N'oge gboo, onye na-akọ akụkọ na-eji ọnụ akọ ma werekwa imeghari ahụ nke a na-eji aka, ụkwụ, iku anya, egbugbereọnụ, ntụgharị olu, ile anya, iweli olu elu, iweda olu ala, isi, afọ na akụkụ ahụ ndị ọzọ wee na-ezipụta. Ma ndị ọka n'edemede iduuazị ji asụsụ ezipụta ihe ụfọdụ na-abụkarị site n'ikwunwe ihe e kwubugoro ọtụtụ mgbe dịka ọ bụrụ na a chọrọ izipụta ebe dị anya, a na-asị o wee jekata jekata, o wee gaa mmiri naasa na agụnaasa. ọ bụrụ ihe mere mgbe dị anya a na-asị mgbe elu bụ ala ọsa, mgbe akwụ na-acha n'ọdụ igu. Asụsụ ndị a ka e ji ezipụta akụkọ ifo n'iduuazị.

**Igozipụta ụzọ Agụmagụ ọnụ ọdịnaala Siri Nyere D. N. Achara Aka n'Idepụta *Ala Bingo* na *Elelịa na Ihe O Mere***

Anyị ga-atụle akwụkwọ abụọ ndị a site n'ileba anya n'ihe ndị a:

- Ndịnaya
- Setịn
- Isiokwu
- Agwa
- Nkaasụsụ
- Mmụta

**Ndịnaya**

N'*AlaBingo*, e kere ihe mere n'ime ya ụzọ abụọ; ihe ndị mere n'ala mmadụ na ihe ndị mere n'eluigwe. Eze ha na-ebi n'ala mmadụ na-ebikwa n'eluigwe n'otu aka ahụ. ọ na-abụ o bie n'ala mmadụ n'oge ọkọchị, n'udummiri ọ rịgoro n'eluigwe biri. N'otu oge ka eze ahụ (Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ) hụrụ nzọụkwụ mmadụ n'akụkụ osimiri Bingo. ọ malitere chọwa onye nwe nzọụkwụ ahụ n'ihi na ọ gbara ya gharị. ọ bụ site n'aka otu ohu ya ọ chụpụrụ n'ihi oke nrịanrịa ka o siri mata ebe ọ ga-esi chọpụta onye nwe nzọụkwụ ahụ. Sitekwa n'aka ohu ọzọ ọ chụpụrụ n'ihi ọrịa ekpenta ka o siri mata ụzọ ọ ga-esi jide ada eze bi na mmiri, onye nwe nzọụkwụ ahụ. Tupu eze ahụ enweta ihe ọ chọrọ, e mere ka ọ bụrụ onye nwere obi ume ala. Site n'ọzụzụ e nyere ya, ọ bụ onye mpako na onye na-ebuli onwe ya elu. O ji ụkwụ ya wee gakwuru ndị ohu ahụ ọ ga-anata enyemaka n'aka ha n'otu  n'otu n'ebe ọ chụpụrụ ha mgbe ha nọ na nsogbu. ọzọ bụ na eze bi n'ọwụwa anyanwụ ekweghị anabata ya. O wee site na nkụzi o nwerela banyere obi umeala wee rịọ ma rịọtuo eze ahụ. Eze (ọ gara ọlụ n'afọ lọta n'afọ) ghọtara mkpa ọ dị mmadụ iwetu onwe ya ala, ghọtakwa na amamihe abụghị ihe dịịrị naanị otu onye. A kụziri ya na ọ dị mkpa ịkpọkọta onye ọbụla mgbe a chọrọ ịtụ alo ọbụla dịka na ikwunaibe nandị ohu iji tụpụta ezigbo alo. Nke a nyeere ya aka iji mata n'ime ụmụ ya, nwa ya nke ga-anọchite anya ya ma ọ nwụọ. Ndị ohu ya nyere ya atụmatụ iji were nwachapụta otu n'ime ụmụ ya, onye ga-anọchite anya ya. Site n'atụmatụ ahụ o wee chọpụta na nwa ya bụ ọgụ (bụ diọkpara) ga-anọchite ya na ọ bụghị Mgba.

Site n'akụkọ a, anyị ga-achọpụta na ihe niile mere n'akwụkwọ agụmagụ a bụ *Ala ABingo* nwere ike ime n'ụwanrọ, ebe ihe niile nwere ike ime eme. Ihe niile mere ebe a bụ ihe na-eme n'akụkọ ifo. Adaeze bi n'ime osimiri Bingo; Eze *Ala Bingo* na-ebi n'ala na-ebikwa n'elu igwe. A kọkwara ihe mere na ọ bụ diọkpara na-anọchi nna ya.

N'*Eleḷia na Ihe O Mere*, anyị agụtala ihe na-eme n'ụwanrọ na akụkọ njem na ihe egwu. D. N. Achara malitere agụmagụ a site n'ịkọ etu Eze Amaghị Ihe ọma siri chọọ iji agwọ gbuo onye isi na-abịa arịọ ya ihe. Agwọ ahụ mechara tagbuo otu nwa nwoke eze ahụ mụtara nke zipụtara nkwenye ndị Igbo na "ọ bịara egbu m ga-egbu onwe ya". Eze Amaghị Ihe ọma kweere nwa ogbenye bụ Eleḷia ọnya ọnwụ. Chineke wee si n'aka ụmụanụmanụ ọ na-emere ebere zọpụta ya site n'ime ka ọ hụkwa kalarị nwunye eze furu efu. Eze zipụtakwara Eleḷia ka ọ gaa lụta ada Nwọgọ, ebe o chere na Eleḷia ga-ezute ọnwụ ya n'ihi na o nwebeghị onye gara ebe ahụ were ndụ ya pụta. Ndị niile Eleḷia nyeere aka hụrụ na ije ahụ erighị isi ya. Ha nyeere ya aka mezue ihe Nwọgọ chọrọ. N'ikpeazụ Eleḷia lụrụ ada Nwọgọ. Mgbe Eleḷia nwụrụ ụmụnnụnụ buuru ozu ya dịka o kweburu ha na nkwa.

E lee anya n'akụkọ a, a ga-ahụ na ihe ndị mere na ya bụ ihe ndị nwere ike ime naanị n'ụwanrọ dịka ọ na-adị n'akụkọ ifo. Odee wepụtakwara ihenkuzi e nwere n'akụkọ a dịka o si adị n'akụkọ ifo – onye na-eme mma na-emere onwe ya, onye na-eme njọ na-emere onwe ya.

N'iduuazị abụọ ndị a, a chọpụtara na akụkọ dị n'ime ha gbadoro ụkwụ n'akụkọ ifo. ọ dị ka a ga-asị na D. N. Achara bu n'uche wee deere ndị e ji nwayọọ edubanye n'agụmagụ ederede, ndị naanị agụmagụ ọdịnaala doro anya wee na-eduba ha n'agụmagụ ederede dịka ụmụaka.

## Setịn

Nke a bụ ebe ihe nọrọ mee na oge ihe mere. Ebe ihe ndị a e depụtara nọrọ mee bụ n'Ala Bingo bụ n'ụwa mmadụ na eluigwe. Emenyeonu (1978) kọwara na ihe ndị mere n'ụwa mmadụ mere na mpaghara ụzọakoli, Ozuitem na Item. Dịka o si kwuo mmereeme ndị niile bụ n'ụzọakọli, Ozuitem na Item ka ha nọrọ mee, ebe ndị a maara nke ọma, ma o sitere n'ebe ahụ banye n'ụwanrọ. Akụkọ a dị n'ụzọ abụọ n'etu e si kọọ ya.

Mmereeme niile dị n’otu ụzọ bụ n’ala mmadụ ebe n’akụkụ nke ọzọ bụrụkwa n’ụwanrọ ka ọ nọrọ mejupụta”.

Nkọwa Emenyeọnụ bụ ihe a na-eche na ọ jụtara D. N. Achara n’ihi na ọ maara nke ọma ma matakwa na ọ gụrụ akwụkwọ n’ụzọakọli ma rụkwaa ọrụ na mpaghara ahụ. Anyị na-eche ma na-ekwu na ihe mere n’agụmagụ *Eleḷịa na Ihe O Mere* bụ akụkọ ụwanrọ nke nọrọ n’ụwanrọ mee. ọ bụ naanị n’ụwanrọ ka ihe ọbụla nwere ike imezu.

ọzọ, ihe a kọrọ n’*Eleḷịa na Ihe O Mere* nọrọ na mpaghara Krọọsụ Riva mee. ọ bụ eziokwu na odee kọwara na ihe ndị a mere na Krọọsụ Riva, ma ọtụtụ ihe mere ebe a apụghị ime n’ụwa mmadụ.Ha bụ iduuazị a gbadoro ụkwụ n’akụkọ ifo wee dee.

## Isiokwu

Site n’ihe a gụtara n’*Ala Bingo*, D. N. Achara na-ezipụta na “obi ume ala dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ”, ma e wepụ mpako. E ji ụzọ siri ike wee kụziere Eze (ọ gara ọrụ n’afọ lọta n’afọ) na mpako anaghị enyere mmadụ aka kama obi ume ala na-eduga mmadụ na ndụ ọma. Eze ji nkuzi ahụ e nyere ya wee kpokọta ndị ezinaụlọ ya, ha wee tụnyere ya alo ịchọpụta na ọ bụ diọkpara ya bụ ọgụ ga-anọchite anya ya ma ọ nwụọ. E leghị anya Achara chọrọ iji akụkọ a wee ziputa ihe kpatara diọkpara ji anọchite anya nna ya n’ala Igbo. D. N. Achara gbakwasara ụkwụ n’akụkọ ifo wee dee iduuazị a.

N’*Eleḷịa na Ihe O Mere*, odee wepụtara isiokwu ya nke ọma, o mere ka a ghọta na “onye mere ihe ọma meere onwe ya”. Nke a bụ nkuzi gbasara ime ezi omume oge niile, ka anyị wee gbanarị nsogbu n’ụdị ọbụla. “O nweghị omume ọjọọ na-agbanarị ntaramaahụhụ; n’aka nke ọzọ, ezi omume ọbụla na-enwete ezigbo x́gwǫ́ọrụ”. Isiokwu a pụtara ihe na ndụ Eze Amaghị Ihe ọma na Eleḷịa. Eleḷịa natara ezigbo ụgwọọrụ n’ihi obi ọma ya n’ebe ụmụanụmanụ na mmadụ ibe ya nọ, ebe Eze Amaghị Ihe ọma natara ntaramahụhụ dị egwu site n’agwọ dị

ndụ o kechiri ka ọ tagbuo onyeisi gazịrị tagbuo otu nwa nwoke ọ mụtara. ọ bụ ụdị nkụzi a gbasara ezigbo omume a na-ahụkarị n'akụkọ ifo ka D. N. Achara webatara n'*Elelịa na Ihe O Mere*. N'ezie, D. N. Achara gbasoro agụmagụ ọdịnaala n'ịhọrọ isiokwu agụmagụ ya abụọ ndị a.

**Agwa**

N'akụkọ ifo, a na-enwe mmadụ, ndị mmụọ, ụmụanụmanụ dịka agwa ga. ọzọ, n'akụkọ ndị a, a kpaghị oke n'etiti ụwa mmadụ, ụwa mmụọ na ụwa ụmụanụmanụ. Aha ha na-egosipụta agwa ha ozigbo. Achara kewara agwa ụzọ abụọ, agwa larịị na agwa nnwogharị, Foster (1927). Na nkọwa Foster, agwa larịị bụ agwa ndị ahụ anaghị agbanwo akparamagwa site na mmalite akụkọ ma ọ bụ ejije ruo na njedebe ya. Ha anaghị abụkebe isiagwa ma ọ bụ agwa dara ụda. Agwa nnwogharị bụ agwa ndị ahụ akparamaagwa ha na-agbanwo agbanwo. Ha nwere ike ime ihe ịtụnaanya. Ha bụ ndị nwere ọgụgụ isi nke na-enyere ha aka ịchọpụta ihe kwesịrị ka ha mee n'ọnọdụ ọbụla.

A bịa n'agwa dị n'*Ala Bingo* na *Elelịa na Ihe O Mere*, D. N. Achara gbakwasịrị ụkwụ n'agwa ndị na-adị n'akụkọ ifo were webe agwa ha. O nyere ọtụtụ n'ime ha aha site n'akparamagwa ha. Iji maa atụ, n'*Ala Bingo*, a kpọrọ Eze *Ala Bingo* (ọ gara ọlụ n'afọ lọta n'afọ) n'ihi na ọ na-ebi n'ụwa n'ọkọchi, na-ebi n'eluigwe n'udummiri. A kpọrọ nwaagbọghọ ahụ nwe nzọụkwụ a hụrụ n'akụkụ osimiri Bingo, Adaeze bi na mmiri n'ihi na o bi n'ime mmiri. Otu aka ahụ, e nwekwara Onye ukwu bi n'ọwụwa anyaanwụ; onye ọzụzụ atụrụ bi n'ọdịdịda anyaanwụ. A kpọkwara ụmụ Eze Bingo "Mgba" na "ọgụ" dịka akparamaagwa ha siri dị.

*N'Elelịa na Ihe O Mere*, a kpọrọ Eze ahụ afọ tara mmiri, "Eze Amaghị Ihe ọma" kpọkwara Onye ìsì aha gbasoro ọnọdụ ya dịka mmadụ. Agwa ndị ahụ nyeere Elelịa aka nwekwara aha site n'ọrụ ha dịka Anyaukwu (ọ na-ahụ ihe zoro ezo), Afọ-Afọ (o nwere nnukwu afọ o ji eri nnukwu nri), Ntị

Anụnụ ( o nwere ntị o ji anụ ọbụladị ihe a ghara n'izu), Atịmkpara (o toro nnukwu ogologo). Ihe ọzọ D.N. Achara webatara n'Iduuazị ndị a dịka o siri metuta agwa bụ agwa ndị abụghị mmadụ, dịka, ụmụnnụnụ buuru ozu Eleịa na nnụnụ zọpụtara Eleịa n'aka Eze Amaghị Ihe ọma site n'inyere ya aka chọta kalarị ahụ furu efu.

N'ịga n'ihu, ọ bụrụ na a gbakwasị ụkwụ na nkọwa Foster (1927) were tulee agwa ndị dị n'Iduuazị ndị a, a ga-ahụkwa na ha dum bụcha agwa larịị dịka ndị na-adị n'akụkọ ifo ma e wepụ Eleịa, Eze Amaghị Ihe ọma na Eze ọ gara ọrụ n'Afọ lọta n'afọ.

**Nkaasụsụ**

N'Iduuazị abụọ ndị a, D.N.Achara gbasoro nka dị icheiche e ji akọ akụkọ ifo. ọ malitere *Ala Bingo* n'usoro e si amalite akụkọ ifo ọbụla n'asụsụ Igbo,

" N'ala Bingo, otu onye dị

ọ bụ onye

nwere ike n'ebe

Ihe niile dị…."

Nkaasụsụ a gbasoro n'ide akwụkwọ abụọ ndị a dị mfe dịka ọ na-adị n'akụkọ ifo iji hụ na onye ọbụla ma okenye ma ụmụaka ga-aghọta ihe e dere nke ọma ma nwee mmasị ịgụrụ ya ruo n'ọgwụgwụ.

**Ihe Mmụta**

Iduuazị a ji ihe mmụta were mechie dịka o si adị n'akụkọ ifo. N'Iduuazị ndị a, e webatara akụkọ yaamere iji gosi etu ihe ụfọdụ na mmemme ụfọdụ siri malite na ndụ ndị Igbo ma ọ bụ n'elu ụwa.

N'*Eleịa na Ihe O mere*, nke bụ ụgwọọrụ ihe ọjọọ bụ ihe ọjọọ, na-egosipụta mkpa ọ dị ka mmadụ na-eme ihe ọma oge niile n'ihi na o nweghị ihe ọjọọ ọbụla agaghị eketa ntaramaahụhụ.

Onye mere ihe ọma mere onwe ya

Onye mere ihe ọjọọ mere onwe ya

A bịa n'*Ala Bingo*, o nyere nkuzi maka obiumeala ma nyekwa nkọwa gbasara ihe ụfọdụ na-eme n'ụwa dịka ihe mere ihu anyanwụ ji adị ka azịza na ihe mere diọkpara ji anọchi nna ya ma ọ nwụọ dịka ọ dị na ndụ ndị Igbo.

## Mkpokọta na Mmechi

N'Iduuazị abụọ ndị a anyị tulere, a hụrụ D.N. Achara dịka odee jiri agụmagụ ọnụ ọdịnaala ọ kachasị akụkọ ifo wee mere akọrọngwa. O dere Iduuazị ndị a na mmalite oge e sitere n'agụmagụ ọnụ na-abanye n'agụmagụ ederede. ọrụ ndị a kuziiri anyị mmekọrịta dị n'etiti agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede. ọrụ abụọ ndị a kụụrụ ike site n'agụmagụ ọnụ ọdịnaala dịka ọ siri gbasa isiokwu, setịn, agwa, ndịnaya, nkaasụsụ na ihe mmụta.

Anyị chọpụtara na ọtụtụ ndị odee ọzọ webatara agụmagụ ọnụ ọdịnaala n'agụmagụ ederede iduuazị ha n'ụzọ dị iche iche, dịka T. U. Ubesie;*ụkwa Ruo Oge* na *Jụọ Obinna*, Pita Nwana;*Omenụkọ*, J. U. T. Nzeako; *ọkụkọ Agbasaa Okpesi* na *Jụọ Chi* nandị ọzọ ga. Ha niile webatara ejirimara agụmagụ ọnụ ọdịnaala dịka ilu, ụkabụilu, asịnilu, akpaalaokwu, nhagide okwu, mmemmadụ, mbụrụ, ndịka na ndị ọzọ ga.

ọzọ, ndị odee agụmagụ Igbo na-ewebata ọdịnaala ndị Igbo n'agụmagụ ha na-ede nke ha tụrụ anya na ndị Igbo ga na-agụ iji mata ihe ndị ha amaghị, cheta ihe ndị ha chefuru sizie n'ụzọ dị etu na-echekwa omenaala na ọdịnaala ha.

N'ikpeazụ, ọdịnaala ndị Igbo na agụmagụ ọnụ ọdịnaala bụ a hụghị ebule ma sị elina dike n'edemede iduuazị Igbo e deerendị Igbo. Edemede a zipụtara na iduuazị Igbo malitere ndụ site n'agụmagụ ọnụ ọdịnaala Igbo.

## Edensibịa

Achara, D. N. (1933). *Ala Bingo*. Ibadan: Longman Group.

Achara, D. N. (1964). *Eleḷịa na Ihe O Mere*. Ibadan: Longman.

Ekwealor, C. C. (1999). "Agụmagụ ọnụ dịka Akọrọngwa Iduuazị". Akwụkwọ a gụpụtara n'ọgbakọ nkụzi otu SPILC chịkọbara na Ministri Keedukeshọn na Steeti Anambara na 28th – 30th Epeel, 1999.

Emenyonu, E. (1978). *The Rise of the Igbo Novel*. Ibadan: Oụford University Press.

Finnegan, R. (1970). *Oral Literature in Africa*. London: ọ. U. P.

Foster, E. M. (1927). *Aspects of the Novel*. Great Britain: Reaguine Books.

Nwadike, I. U. (1993). *Nka na Usoro Nkuzi Igbo*. Nsukka: Ifunanya Press.

Nwadike, I. U. (1998). "Imminent Death of Literature in Indegenous Languages", in *Daily Times* of 3rd March, 1998.

Nwana, P. (1933). *Omenụkọ*. Onitsha: University Press.